# NZIPỤTA MKPEBI NKE ONWE NA MMETỤTA YA NA NDỤ N'EJIJE NDỊ A HỌỌRỌ

**Anagor, Chioma Chiazom**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka Na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**
**cc.anagor@unizik.edu.ng**

**Na**
**Okm. Nkechinyere Nwokoye**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka Na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**
**anthonia.nwokoye@unizik.edu.ng**

**Ụmịedemede**
*Inwe mkpebi bụ ihe onye ọbụla na-eme na ndụ ya. E nwere mkpebi dị mma na nke dị njọ mana nchọcha a lebara anya na ndị dị njọ nke na-ebute akparamaagwa dị ańaa nke a maghị ebe ọ ga-eduba onye ahụ n'ọdịniihu maọbụ ihe ọ ga-ebutere ya maọbụ ndị ọzọ n'ụzọ ndụ ha. Ọtụtụ enweela mkpebi megidere ọdịniihu ha na nke ụmụ ha n'ihi na ha echemighị echiche ime banyere ọnọdụ ha hụrụ onwe ha n'ime ya. Naanị ihe ha chọrọ bụ ka ha mezie ọnọdụ ha ugbu a n'ihi na echi ga-echere onwe ya mana ogee chi bịara, ha ahụ na ọ bụghị ihe isi ha ga-ebunwu. O nwere ike were ndụ mmadụ ebe a na-achọ ụzọ mgbapụ dị ka ndị ntorobịa oge a na-ekpebie ime ihe ọbụla ha nwere ike ime iji bute ego ọsọkwa ya bụrụ ihe ga-ewe isi ndị ezinaụlọ ha, ha ọchọghị ịma. Ya mere ndị nchọcha a ji lebaa anya n'isiokwu a iji zipụta ọghọm inwe mkpebi ọjọọ na-ebute n'ikpeazụ ka onye ọbụla gbaa mbọ chemie echiche ime tupu ha e kpebie ihe ọbụla ka a gbanarị ngaramara n'ikpeazụ. Ihe ndị a niile mere ndị nchọcha ji họrọ ejije Nwata Rie Awọ, Ije Ụwa na Adaakụ iji zipụta ka ndị odee ejije Igbo ndị a si ezipụta mkpebi onwe na mmetụta ya na ndụ. Ndị nchọcha gbasoro Usoro nkọwa ma were atụtụ saikoanalisis nke Sigmund Freud tụpụtara n'afọ 1895 iji mee ka isiokwu a doo anya. Ha chọpụtra na e nwere ihe kpatara mmadụ ji akpa ụfọdụ agwa maọbụ nwee mkpebi dị ańaa na ndụ, nke na-abụkarị n'ihi ọnọdụ ọ hụrụ onwe ya n'ime ya. Nke a mere o ji dị mkpa ka onye ọbụla lebaa anya n'ụdị mkpebi ọ na-enwe banyere ọnọdụ ọbụla n'ihi na ọ naghị adịgide. Ọ dịghị ọnọdụ maọbụ ihe mmadụ na-agabiga enweghị ụzọ mgbapụta, mana ọ bụrụ na onye ahụ mee ngwangwa inwe mkpebi, ọ ga-emebi ihe na ngwụcha nke ga-ajọkarị udele ma sikarịa nkakwụ.*

## Ndubanye

Afọ ọbụla ọtụtụ mmadụ na-enwe mkpebi banyere ọtụtụ ihe ha-achọzighị ịna-eme maọbụ ihe ndị ha chọrọ imalite mewe. Mkpebi ndị a nwere ike site n'etu ihe si dịrị ha n'afọ gara aga nke mere na ha chegharịrị uche ha ka ha tulee ụzọ ọzọ ha ga-esi mee ihe iji gbochie ihe mere eme imekwa ọzọ. Nke a gosiri na mkpebi bụ otu ihe na-edu mmadụ n'ụzọ ndụ ya nke agaghị agbanari. E nwere ndị na-enwe mkpebi n'onwe ha, nwee ndị inwe mkpebi na-ahịa ahụ nke mere na ọ bụ site n'ihe ndị ọzọ kwuru ka ha na-agbado ụkwụ. E nwere mkpebi dị mma na mkpebi dị njọ. Mmadụ nwere ike chemie echiche ime tupu o kpebie ihe ọ chọrọ ime maọbụ ikwu banyere ihe ọbụla mana nke a apụtaghị na ọ ga-eme ka mkpebi ya dị mma n'ihi na mkpebi na-esite n'uche onye na ọnọdụ onye hụrụ onwe ya n'ime ya. O nwere ike nwee mkpebi n'ike n'echeghị mpụtara ya nke nwere ike dị mma maọbụ dị njọ wee tinye onye ahụ na nsogbu ọ gaghị ama etu ọ ga-esi pụta n'ime ya. Ya mere o ji dị mkpa na mmadụ chemiri echiche ime gbasara mkpebi ọbụla ọ chọrọ ime, tulee ihe o nwere ike ibutere ya maọbụ ndị ọzọ n'ọdịniihu n'agbanyeghị ihe na-eme iji gbanarị ngaramara n'ikpeazụ. Onye ọbụla kwesịrị ileba anya n'agwa ọ na-ezipụta nke sitere n'ụdị mkpebi o nwere banyere ndụ maọbụ ọnọdụ ọ hụrụ onwe ya n'ime ya. E nwere ụmụ nwoke ndị nwere ihe mberede n'azụmahịa ha site n'ọnọdụ ahụ malite ịṅụ mmanya nke ha ji mere onye inye aka mana ha chezọrọ na mmanya anaghị akwụsị ihe mgbu kama ọ ga-eme ka ị chezọọ ihe mgbu ahụ naanị obere oge n'ihi mmanya onye ahụ ṅụbigara oke mana ngwangwa mmanya ahụ pụrụ ya n'anya, nsogbu ahụ awụchie n'ihu ya. E nwekwara ụmụ agbọghọ ndị hụtara onwe ha n'ọnọdụ ha enweghị ike ịkọwa n'ezinaụlọ ha wee kpebie iji ahụ ha chụwa nta ego. Omume nwa ahụ ga-agbanwe n'ihi na isi ekopula ya, ọ ga-amalite ibi ndụ ka atụrụ enweghị onye nche mana ọ maghị na mkpebi ahụ nwere ike imebiri ya ihe n'ọdịniihu n'ihi na ụfọdụ esila n'ụdị ndụ ahụ bute ọrịa amaghị aha ya ebe

ụfọdụ mebie akpanwa ha d.g.w. Chi na-efo ọ na-na achọpụta na mkpebi o kpebiri ọtụtụ afọ gara aga emebiela ọdịniihu ya, o nwere ike kolopu obi, gbuo onwe ya.

N'oge ugbu a, a hụrụ ka ndị ntorobịa si ekpebi ibute ego n'ụzọ abụla ụzọ ma ọ chara acha ma ọ chaghị acha si gbute ya. Ụfọdụ e jirila isi ndị enyi ha na ndị ezinaụlọ ha gwọọ ọgwụ iji kpata ego n'amaghị na ọrụ ọbụla nwere ụgwọ ma ọ dị mma ma ọ dị njọ. E nwere ndị tipuru ara ebe ha jere ịgwọ ọgwụ ego, nwee ndị aka kpaara ọ bụghị ego ka ha kpatara nke o ji abụ ndụ ha ka ha jizi aka. Akụkọ kọkwara n'afọ a gbasara otu nwaanyị n' Ọnịcha nke ji anụ mmadụ esi nri n'ụlọ nri ya ka o wee na-enweta ndị ahịa buru ibu nakwa onye nke ji ụmụaka eme ude na ihe nsọ n'ụlọ ekpere ya tupu ndị nche ejide ha. A hụkwara ndị si n'ịse igbo banye n'ịñụ mkpụrụ mmiri nke na-etinye ha ịkpa agwa ka ndị ara malitere ịpụ ọhụụ. Ha na-etụnye onwe ha n'ọwa mmiri ruru unyi maọbụ na-agbatọ onwe n'ala, ụfọdụ na-arahụ n'ụzọ ma na-eme omume ekwesịghị ekwesị.
E nwekwara mkpebi mmadụ na-enwe iji gbanarị ọdachi ma hụ na udo na-achị gburugburu ya dị ka a hụrụ na ndụ onyeisi ala Naijirịa pụrụ apụ bụ Goodluck Jonathan. Aziken na Ndujihe (2015) dere na Goodluck kpọrọ onyeisi ala ritugoro n'ọkwa bụ Muhammadụ Buhari wee kelee ya na mmeri ya iji bụrụ onyeisi ala n'afọ 2015. Omume a tụrụ onye ọbụla n'anya mana, Goodluck Jonathan kọwara na agaghị e ji ọchịchọ ya tụnyere ọbara otu onye a ga-akwafu n'ala Naijirịa. Mkpebi ya ịhapụ ọkwa onyeisi ala ka udo wee chịa tunyere ya ugo na mba ụwa dum ma mee ka United Nations nye ya ọkwa onyeisi ndị na-akpa udo na mba Afrịka dị ka The Wills (2021) si dee.

E nwekwara ndị nwere nwere mkpebi wepụrụ ndụ ha n'ikpeazụ dị ka Oparanews (2014) dere akụkọ maka Ọnwụzuligbo Mariam Nneka onye tuuru ugo asọmpi ịbụ ihu mgbanwe ọchịchị onye kwuo uche ya n'afọ 2013. Nwaada a gara otu ụlọọgwụ dị na Legọọs ka o wepụ abụba dì ya n'afọ ma tinye ya n'ike iji dozigharịa ahụ ya; mana dọkịta mere ya emetaghị ya o wee butere ya nsogbu wepụrụ ndụ ya na Febụwarị 3 ka ọ nọchara n'agbata ọnwụ na ndụ mkpụrụ ụbọchị iri atọ na otu afọ 2014. Ayodele (2022) dere maka ụmụ agbọghọ abụọ; onye nke mbụ bụ Amelia Pounds e ji azụmahịa mara. Ọ gara ụlọọgwụ na mba India ịga mịpụ abụba dì ya n'afọ ma tinye ya n'ike ka ahụ ya hazie nke ọma. A kọwara na ihe niile gara nke ọma mana ihe mberede dapụtara n'ikpeazụ wee wepụ ndụ ya. Enyi ya nwaanyị kọwara na ihe kara Amelia obi ibewe ahụ ya bụ n'ihi na e nwere otu enyi ha mere ihe ahụ ma were ndụ ya lọta n'amaghị na chi onye ọbụla dị iche n'iche. Onye nke abụọ bụ Christabel bi na Pọthakọt. Ọ bụ nwa agbọghọ na-ezipụta ihe nkiri n'ọwa ududo gakwara ịmịpụ abụba n'afọ ya wee tufuo ndụ ya.

A hụkwara ihe mere n'etiti Maazị Nnamdi Kanu, IPOB na gọọmentị etiti n'afọ 2021. Gọọmentị etiti gara mba Kenya kpụrụ Maazị Nnamdi onye ndu otu IPOB bụ otu ọ malitere nke chịkọtara ndị Igbo. Maazị na-agba n'anwụ mmegide a na-emegide ndị Igbo na ihe mmekpo gọọmentị na ndị ọchịchị na-eme na Naijirịa. ihe nke a megidere gọọmentị ya mere ha ji kpaa nkata ga kpụrụ ya na Kenya ebe ọ gara njem dị ya mkpa. Kamgbe ahụ ikpe ya nọ n'ụlọiwu. Ndị IPOB kpebiri na ụbọchị ọbụla onye ndu ha ga-aga ụlọiwu, ọ dịghị ihe a ga-eme n'ala Igbo niile iji hnyre ya ma zipụta mwute ọnọdụ y ana-ewute ndị Igbo. E mekatazịrị ndị IPOB wee kpebie na onye ọbụla ga-eji ụbọchị Mondee mere Sondee n'ihi na ọ dịghịzị ihe ọbụla aga na-eme ụbọchị ahụ dị ka agụmakwụkwọ, azụmahịa maọbụ ụlọọrụ ọbụla imeghe ganye na gọọmentị akpọghepụta onye ndu ha. Thisday (2021) kọwara na ọ bụ n'ọnwa Ọgọst 6, 2021 na nzukọ ndị IPOB ka ha nọrọ nwee mkpebi ahụ. Ha kwukwara na onye ọbụla dara iwu ahụ ga-ata ahụhụ ya. Kamgbe ahụ, ahụla ka mkpebi gọọmentị etiti ikpọchi onye ndu ndị IPOB si bute ọtụtụ ihe mmekpo n'ala Igbo n'ihi na ndị ojiegbe amaghị ndị ha bụ malitere igbu ma na-atọrọ ndị mmadụ aghara aghara, ohi malitekwara. Mkpebi ndị IPOB iwepụ Mọndee n'ụbọchị e ji arụ ọrụ megidere agụmakwụkwọ, azụmahịa na ihe niile dị iche iche n'ihi na ụmụakwụkwọ ji Satọdee aga akwụkwọ n'akụkụ ụfọdụ n'ala Igbo ebe ego na-abata na steetị ndị Igbo site n'azụmahịa ha belatakwara maka na ndị Benin, Delta na steetị ndị ọzọ na-abata otu Ọnịcha azụrụ ahịa lọghachiri azụ.

Inwe mkpebi dị mma maọbụ nke dị njọ na ihe ọ na-ebutere onye kpebiri ya bụ ihe ederede a zipụtara site n'ejije Igbo nke gụnyere;
*Nwata Rie Awọ* - Goddy Onyekaọnwụ
*Adaakụ* - Obioma Mogbogu
*Ije Ego* - Robert Nwokelue

**Atụtụ Nchọcha**
Dobbie (2012:55) kwenyere na ọ bụ Sigmund Freud, dọkịta na-ahụ maka ụbụrụ isi mmadụ, tụpụtara atụtụ a iji chọpụta ihe na-ebute ọrịa dị iche iche nke anaghị egosipụta n'elu ahụ guzobere atụtụ a n'afọ 1895 iji chọpụta etu ọnọdụ ime mmụọ mmadụ si arụ ọrụ, ọdịdị ya, nhazi ya na ọrịa na-emetụta ya. Ọ chọpụtara na ọtụtụ oge, ihe ike mere na ndụ mmadụ nke ọ gwọghị n'oge nwere ike butere ya ọrịa n'ọdịniihu. Freud mechara malite iji atụtụ a enyocha ekpemekpe, nkọmịrịkọ, aatị na agụmagụ. N'iji kọwaa ọnọdụ ime mmụọ mmadụ, Freud kewara ya ụzọ atọ;

**Iidi:** Nke a bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ nke na-eme ka mmadụ kpaa agwa ekwesịghị ekwesị n'ihi na o cheghị ya eche. Ifejirika (2014:220) kwuru na ọ bụ akụkụ ime mmụọ mmadụ ebe ọchịchọ nke anụ ahụ na egwu wuru ụlọ obibi. N'ebe a ka ọchịchọ ihe arụ niile si apụta dị ka; ndakpo, ịkwa iko, izu ohi, ịtọ mmadụ, iwepụ ndụ, ịkpọ asị na oke iwe nke na-eduba mmadụ n'ịla n'iyi. Mpaghara ime mmụọ a anaghị eche echiche maka iwu, ọdịnala na nkwenye. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a n'ime ya mana ihe dị iche bụ etu mmadụ si achịkwa onwe ya iji hụ na ọ naghị apụta ihe n'omume ya.

**Igo:** Nke a bụ atụtụ ime mmụọ mmadụ nke na-eche echiche maka ihe akparamaagwa ya ga-apụta tupu o ziputa ya. Ọ na-eche echiche banyere ihe ọ chọrọ ime, mkpebi ọbụla na mpụtara ya tupu ọ kpaa agwa ọbụla. Mpaghara ime mmụọ a na-arụ ọrụ dị ka onye nnọneetiti iidi na supaigo. Mmadụ ọbụla nwere mpaghara ime mmụọ a mana ụfọdụ ndị ejirila mmanya na-aba n'anya, ọgwụ ike na ịse ahịhịa menyụọ nke ha.

**Supaigo:** Nke a bụ mpaghara ime mmụọ mmadụ nke a na-ahụta dị ka akọnuche mmadụ. O na-eche echiche maka ihe ziri ezi tupu o nwee mkpebi n'ihe ọbụla o na-eme. Ndị nne na nna bụ ndị mbụ na-eguzobe mpaghara ime mmụọ n'ebe ụmụ ha nọ. Ka ha na-eto, otu dị iche iche na ọha obodo na-enye aka igbazi ezi akparamaagwa a.

**Ntụleghar ị Agụmagụ**
**Inwe Mkpebi**
Inwe mkpebi bụ itụlegharị uche banyere ọnọdụ, ihe na-eme maọbụ ihe e nyere mmadụ mee iji tụpụta ụzọ a ga-esi gboo ihe ndị ahụ. Schoemaker na Russo (2014) kọwara na ọ bụ ụzọ mmadụ, ọha maọbụ ụlọọrụ kwekọrịtara maka ihe a ga-eme n'ọdịniihu site na ngwaọrụ ndị e wepụtara maka ọrụ ahụ.

**Njirimara Mkpebi**
Ha kọwara na e nwere njirimara mkpebi dị iche iche nke gụnyere;

- Ichemi echiche: Ọdị mkpa ichemi echiche ime n'ọnọdụ ọbụla maọbụ ọrụ e nyere gị tupu i nwee mkpebi ihe ị ga-eme maọbụ ihe i nwere ịtụnye.
- Ụzọ ntụlegharị echiche: ọ dị mkpa itule ihe tupu inwe mkpebi banyere ihe a na-ekwu maọbụ ọnọdụ a nọ n'ime ya; n'ihi na atụleghị mkpebi wee mee ihe ọbụla nwere ike ime onye ahụ o nwee mkpebi ekwesịghị banyere ọnọdụ ahụ.
- Nhọrọ: Nke a bụ ịhọrọ mkpebi na-adịkarị mma mana nke ahụ apụtaghị na e nwere mkpebi adịghị mma nke mere ichemi echiche ime ji dị mma.
- Ịdị uchu: Mkpebi ọbụla nabatara ịdị uchu iji hụ na e mepụtara ihe e kpebiri ime.
- Nnwale: A na-anwale mkpebi ọbụla iji mata ma ọ bụ ihe e kpebiri ka e mere, ọ bụ ezi mkpebi ka ọ bụ ajọ mkpebi na ịchọpụta uru maọbụ ọghọm mkpebi ahụ banyere ọnọdụ ebe ọ pụtara ihe na ya.

**Nleba Anya n'Ejije Ndị A Họọrọ**
***Nwata Rie Awọ***
Akụkọ dị n'akwụkwọ a bụ maka Obiọma na Aworo. Obiọma bụ nwa agbọghọ hapụrụ ndị niile bịara okwu ịlụ ya wee kpebie na ọ ga-alụriri Aworo bụ nwa okorobịa a maara n'ihi mgba ọ gaara ndị obodo ha wee turu ugo lọta. Ọ bụghị Aworo ji aka ya chọọ ịlụ Obiọma kama ọ bụ mgbakwute ka Obiọma gbakwutere Aworo be ha n'ihi na ọ dịla na mbụ kwuo na kama ọ gaghị alụ Aworo ka ihe dị abụọ ka otu mee. (i.a 36-37) gosịrị nkata dị n'etiti Obiọma na enyi ya nwaanyị Ekemma.

Ekemma: Obiọma i bidokwa
Ọgba nhọ di aghaghị ịlụta eke ọgba
Ị jụla Obi, chụọ Chike
Gbanahụ Oti, hapụ Eke
Ugbu a Anene eluwela; gị ịlụ
A gbaa mbụ ọ tụọ n'ogwe, a gbaa abụọ
ọ tụọ n'ogwe, ọ bụ ogwe ka a pịịrị akụ?

Obiọma: Ekemma, ọ pụtara na mụ amaghị ihe kwesịrị m?
Ka m gwa gị, kemgbe m jiri hụchaa ike
Aworo kpara ụyaanhụ, amaghị m ebe m nọ
Ọ bụ Aworo kwesịrị ịlụ m
Obi m na-achọsi ya ike
Obi na-atụwa m ma m cheta Anene
Tụmadị n'ije a ọ na-akwado ịbịa be anyị taa
Agaghị m adị ndụ lụọ Anene
Nwa ọkụkọ, nwa ụchịcha, nwa mbe,
n'ebe Aworo nọ. Tụfịa!
Ngwụrọ mmadụ agaghị alụ m
(Ya ewedata olu ala), Aga m agbakwu ya n'abalị
taa. Ya ka m sịrị ka m bịa gwa gị.

Obiọma nọ be Aworo ụbọchị a bịara ikwu okwu ọlụlụ ya nke zipụtara na ọ bụ ụbọchị ahụ ka o ree ugwu ya ka nwaanyị n'ihi na omenaala Igbo anabataghị ụdị agwa nke a na nwa agbọghọ ga-ebi be nwoke emeghị ihe n'isi ya maọbụ lakwuru ya tupu e mee ihe n'isi ya. E zipụtara nke a (i.a 44-45) ebe Aworo bịara okwu ọlụlụ Obiọma be ha.

Aworo: Eze Onyekota, nna anyị ndewo.
A sịrị na ụlọ adịghị adawa ghara uko
Tutu a maa mbụ, a ga-ezo ya n'igwe
Ọ dị ụzọ ihe abụọ butere m be gị n'ụtụtụ a:
Nke mbụ bụ ịkọrọ gị na nwa gị nwaanyị bụ Obiọma
gbatara ọsọ na be anyị
Nke abụọ bụ ịgwa gị na nne na nna m ekwetago na
mụ ga-alụ ya.
Ha wee zie m ka m bịa gwa unu wee mata ihe bụ
uche unu gbasara okwu a.
Ọ bụrụ na unu ekweta, ọ ga-asọ anyị ịbịa echi wee
mee ihe gbasara alụm nwaanyị.

Okwukọgụ: Ị sịrị na Obiọma gbatara ọsọ be unu?

Aworo: Nna anyị, o bụ ihe m kwuru

Okwukọgụ: Ebeekwanụ ka ọ nọ ugbu a?

Aworo: Ọ nọ n'ụlọ anyị, anyị chọrọ ka anyị na ya soro
ma ọ sịrị na ya ga-etechagodu ụlọ, sie nri, anyị
wee kwekọrịtazie na ọ ga-alọta n'uhuruchi taa.

Mkpebi Obiọma ịlụ Aworo tinyere ya n'ihe mgbu n'ihi na oge ha abụọ biwere ka di na nwunye ọ wee mụọ nwa nwaanyị, Aworo malitere ịgba n'ezi ma na-eme omume agaghị enwe ike ịkọwanwu.

Obiọma: Chi m, ekwuru m gịnị?
Kemgbe m jiri mụchaa nwa a, ọ dịghị nwoke a ka

ya were anya hụ m
Ugboro atọ ka ọ gwagoro m bịa burukwa nri m
buteere ya na mụ tinyere ya nsị na nri;
Ụmụnna ya amalitela kwuwe na mụ na-achọ iji nsị
gbu ya.
Ọtụtụ n'ime ha adịkwaghị abata ebe a.
Onye chọwa ime nwunye nna ya ihe, ya mewe ya,
ma ya asịla na o buru ọkụ gaa ya n'azụ.
Ọ ga-abụnụ nwaanyị a ọ chọrọ ịlụ ka o ji ebo m ji
na aja; na-asọnye m okwu n'ọnụ.
Eriela m arịrị o, hie hie hie
(Ya amalite kwawa akwa)

Aworo mechara kpebie ime ihe ọbụla o nwere ike ime iji hụ na ọ chụpụrụ Obiọma be ya. O wee tinye nsị na nri nwunye ya bunyere ya ka o rie nke mere na ndị obodo mapụrụ Obiọma ma gaa be ha tọrọ ya na nwa ya Ọdịnchefu refuo ha n'obodo dị iche iche.

Aworo: nwa anụ ọhịa, ị na-ebechu ebechu. Mgbọ mgbọ mgbọ pịapụkwa gị isi. Taa ka ọ ga-ebiri mụ na gị. Ị na-agbaso onye na-amaghị ihe ka ọ lụwa gị; I ga-esi n'osikakpa ri. Ewu, leenụ ka ọnụ dị gị. O wee bụrụ mụ bụ Aworo nwa Obidike, Agụ ndụ ga-alụ nwaanyị mgbakwute. Ọ bụghị m ka ị hụrụ. Mkpi mbugowe adịghị agba. Ugbu a ekpebiela m na mụ agaghị alụkwa nwaanyị wee ruo ihe dị ka afọ iri na ụma. Buru nri ahụ bịa ka ụwa gbaa mụ na gị elele n'ehihie a. Ị wee mara ụzọ ị siri bata wee pụwakwa.( Obiọma e buru nri bịa dọwara ya pụwa. Ka ọ bawara n'ụlọ, Aworo wepụtara obere ngwugwu n'akpa o jiri bata, gbaghere ihe dị na ngwugwu ahụ yọnye na nri ahụ Obiọma butere) Obiọma, Obiọma! Obiọma! (Obiọma aza ya Oe nna m ukwu wee gakwuru ya) Gịnị bụ ihe ndị a sere n'elu nri a?

Etu a ka Aworo si wee kpaa nkata chụpụ Obiọma na nwa ha Ọdịnchefu n'ụlọ ma hụ na erefuru ha abụọ. ( i.a 66)

Aworo: Ụmụnna m unu emela wee chụpụrụ m ekwensu a n'ụlọ. N'ihe gbasara ịtọrọ ya na nwa ya refuo, unu amarala ụtara tụpụ n'ofe hapụzierenu ihe ya na ndị mmụọ ga-eme. Taa, n'uhuruchi aga m akpọrọ ụmụ okorobịa anọ ndị ọzọ tinyere onwe m wee gaa tọrọ onye arụ na nwa ya refuo. Unu mazikwaala na m bụ Aworo, o ji aka egbu agụ, anụ a na-agba egbe ọ na-ata nri. (ọ tụgharịa machagharịa)

O ruọla afọ iri na ise, Aworo kpebiri na oge eruọla ka ọ lụọ nwaanyị, ọ wee lụrụ nwa ya Ọdịnchefu na-amaghị ama. Ha abụọ biri ka di na nwunye afọ ise mana ha amụtaghị nwa nke a mere ha ji kwekọrịta ịga na nke dibịa iji chọpụta ihe bụ nsogbu ha. Ebe ahụ ka dibịa chetaara Aworo maka mkpebi o nwere afọ iri na ise gara aga irefu nwunye ya nke mbụ.

Ọ gwara ya gaa chọta nwunye ya ahụ n'ihi na oge ọ chọtara ya, ọ ga-amata ihe mere na ọ mụtaghị nwa. Aworo mere ka dibịa si gwa ya wee chọta Obiọma onye nke lọtara wee chọpụta na ọ bụ nwa ha ka Aworo lụrụ ka nwunye.

Ndị mmadụ: …gbaga na-amakụ ya, na-ekele ya. Di ya akpọrọ ya n'aka kpọga ebe ụmụ nwaanyị ibe ya nọ, gosi ya nwunye di ya Ọdịnchefu. Ka ndị ọzọ na-abịa ebi ya ọma, o lekwasịrị Ọdịnchefu anya, na-echezị onye ọ bụ n'ihi na ọ dị ime, gbanwokwa nke ukwuu. Ọdịnchefu elekwasịkwa ya anya fụụ wee tie sị! ọ bụ nne

mụ o! Ọ bụ nne mụ o; Obiọma etikwasị nke ya; nwa mụ o! ada mụ o! (ha abụọ ehiogide onwe ha)

Aworo wee were mma sugbuo onwe ya n'ihi na ọ maghị ka ọ ga-esi budo ihe bịara ya.

Aworo: O ji ngwere haa ngwere na ọ bụghị anụ! M gaghị e ji anya m hụ ntị m! M gaghị e ji anya m hụ nke a! Ọ karịa m. (ya agbaba n'ụlọ ya were mma gbapụ wee magbuo onwe ya…

Nke a gosiri na ọ bụghị inwe mkpebi bụ isiokwu kama na ọ bụ ihe ga-apụta na mkpebi ahụ bụ isi sekpụ ntị. Ọ bụrụ na Aworo maara na ọ bụghị ka akụilu si ada na ntị ka o si atọ n'ọnụ, ọ kaara ịkpachapụrụ onwe ya anya. Ọ bụrụkwa na Obiọma hụtara ọdịniihu ya, ọ kaghị agbaso Aworo nke butere ọdachi niile a.

**Ọghọm inwe mkpebi butere na ndụ Obiọma na Aworo**

Nke mbụ bụ na mkpebi Obiọma ịgbaso Aworo buteere ya mkparị n'aka di ya onye nke mechara were ya kọọ ya ọnụ n'ime obi ya. Ọmalitere ibi ndụ ka o si masị ya n'ihi na ọ bụghị ya ji aka ya chọta Obiọma ka nwunye kama ọ bụ mgbaso ka ọ gbasoro ya.

Nke abụọ, Aworo ikpebi ka ọ chụpụ Obiọma n'ụlọ mere ya o tinye aka na nsi ma soro refuo nwunye ya na nwa ya. Oge o kpebiri ịlụgharị nwaanyị, ọ lụọ nwa ya n'amaghị ama nke bụ nnukwu arụ n'ala Igbo. Aworo n'ihi ihere na obi mgbawa wee magbuo onwe ya. Ugbu a, nwunye ya gba aka di, Ọdịnchefu nwa ya gba aka nna tinyere ime arụ nna ya tụwara ya nke ga-abụzị akụkọ ụwa nye ndị obodo ma wetere ya mmechu ihu. Nwa o bu n'afọ bụzị nke amaghị ihe a ga-akpọ ya ma ọ ga-aza nwanne Ọdịnchefu ka ọ bụ nwa ya?

Ọ bụghị inwe mkpebi bụ isi kama kedụ ka mkpebi ahụ ga-esi nyere aka n'ọdịniihu maọbụ ghasaa ya.

***Adaakụ***

Akụkọ a gbadoro ụkwụ etu Adaakụ na Chukwusolu si kpebie wee baa n'ọgbụgba ndụ na ha agaghị ahapụ onwe na mahadum n'ihi ịhụnanya dị n'etiti ha abụọ. Ka ha gụchara akwụkwọ, Chukwusolu enwetaghị ọrụ tupu di ji malitere ịbịara Adaakụ nke mere na nne na nna ya kpebiri na ọ ga-alụ otu ọgaranaya bịara ịlụ ya aha ya bụ Ibekwe. Ha mechara kwanye ya n'alụmalụ ahụ mana Adaakụ ejighi obi ya nabata nwoke ahụ n'ihi na ọ hụrụ enyi ya nwoke n'anya nke ukwuu.

A hụrụ ka mkpebi mmadụ abụọ a nwere si jide ha n'ọrụ ma chịpụta Adaakụ ụkwụ n'ama na be di ya n'ihi na ha echeghi eche tupu ha baa n'ọgbụgba ndụ. Ọ bụrụ na ọ bụghị ikuku ịhụnanya mahadum bugharịrị ha abụọ nke ha chere na ọ bụ otu ahụ ka ụwa si atọ, ha agaghị itinye onwe ha na nsogbu a n'ihi na ọ bụ nsogbu ọgbụgba ndụ a bụ isi sekpụ ntị dubara Adaakụ igbu Ibekwe ebe ọ na-eme ka ọ hapụ imebi ndụ ya na Chukwusolu gbara iji gbanarị nsogbu so imebi ọgbụgba ndụ.

Adaakụ mechara gaa n'ihu ime enyi ya na Chukwusolu tupu di ya wee si n'ọnụ Njọkụ enyi ya nwoke nụ maka ya. Mogbogu (1989:57:58) Njọkụ kwuru sị;

> …Isiokwu m bụ na o nwere ụdị njem ọ na-aga adịghị mma. Ọ na-abụ ụkwụ na-aga wam wam, ọ naghị ama na anya na-aga sam sam na-ahụ ya. Ọ bụrụ na ọ lọta, kpọọ ya ka ị jụọ ya ihe jikọrọ ya na nwata nwoke nwa Udoye n'Anyatụtụ. Ana m ahụkarị ụkwụ ya na be gị tụmadị ma ị gawa njem. Ọ bụghị naanị na ọ na-abịa be gị, ana m ahụkwa ha abụọ n'ụzọ mgbe ụfọdụ. Mgbe ụfọdụ ana m eche ma nwa ahụ ọ mụrụ ọ bụkwa nke gị n'ihi na kemu kemu m na-anụ na-akọwa na nwata nwoke ahụ bụ onye ya na ya na-eri enyi tupu ọ lụọ gị. ihe ahụ erikatala m nri n'afọ m wee sị ka m kọtara gị ya ka e jiri n'oge kwọwa ya bụ mmiri mgbe ọ dị n'obo ụkwụ. Achọghị m ka unu were ya mewe mkpọtụ n'ihi na ụmụ nwaanyị aghaghị ime ka mgba ghọrọ ọgụ. Ọ bụrụ na ị jụọ ya ma ọ kwetaghị, ị nwere ike ịchọpụta ya site n'ụzọ ọzọ n'ihi na ụzọ e si egbu oke karịrị akarị.

Ibekwe jụrụ nwunye ya Adaakụ maka ihe Njọkụ kọọrọ ya mana nwunye ya gbarụrụ ihu gwa ya ebozikwala ya ebubo ọzọ. Ihe ahụ buteere ha abụọ esemokwu nke mere Adaakụ Ji malite ịtụgharị uche

ihe ọ ga-eme ka Ibekwe nyere ya oghere na ndụ a ma mee ka okwu ahụ hapụ ịba na ntị ndị mmadụ n'ihi na ọ bụ arụ. O wee kpebie itinyere ya ọgwụ na nri ka ọ nwụọ. (i.a 68-69) Adaakụ kwuru sị;

> … Ewo! Gịnị ka m ga-eme wee gbanahụ ọdachi a na-achọ ịdakwasị m. Osisi nụrụ na a ga-egbu ya kwụrụ, ma mmadụ nụrụ na a ga-egbu ya kwụrụ bụ onye iberibe. (welie ihu ya elu weda, chepụta ihe ọ ga-eme). Amatala m ihe ga-ebi okwu niile. Ihe abụọ ka a na-eme ji. E sighị ya esi, a hụọ ya n'ọkụ. N'ime ihe abụọ, naanị otu ga-eme. Mụ na Ibekwe, otu onye ga-apụrụ ibe ya n'ụlọ a tupu a mata ebe mmiri si ba opi ụgbọgụrụ nke ga-ewetara m ajọ aha, ihere na ịta ikikere eze, mụ na ezinaụlọ m si na ya. Kedụ otu m ga-esi kwọrọ onye ukwu wara? Ịhịaa! Amatala m. O nwere otu ọgwụ oke maka oke dị be m. Ebe ọ bụ na ọ dọrọ m aka na ntị ka ọ ghara ịbanye na nri, a naghị ajụkwa ajụ ma ọ ga-egbu mmadụ. Aga m ejizi ya chụọ anụ ọhịa ahụ mụ na ya bi n'ụlọ a bụ Ibekwe n'ihi na amaghị m ya na oke onye ka enye m nsogbu n'ụlọ. Ka m ga chọọ ya tinyere ya n'ofe m siri ugbu a tupu ọ lọta ka o rie, rigbuo onwe ya. (kulie gaa weta ọgwụ oke ahụ) Ahaa! Ahụla m ya, ugbu a ka ihe a na-afụ ga-apịa, ka onye ọbụla baara asịrị na okwu na ụka n'ụlọ. Mụ onwe m atụọ ume ndụ. Mgbe ahụ ụzọ agaara mụ na Chisoo, nwa m hụrụ n'anya. (were ya tinye n'ofe kpaghariạ ya, buru ya na nri dọwara di ya n'elu okpokoro)…

O tinyere ọgwụ ahụ na nri, Ibekwe rie ya wee nwụọ. (i.a 70) Adaakụ kwụrụ sị; nna anyị biko nri gị dịkwa n'elu okpokoro ka ị gaa rie n'ihi na echekaLa m gị, wee rie nke m. (Ibekwe gara rie nri ahụ ọgwụ dị na ya, gaa dina ala. Ntakịrị oge, a nụrụ olu ya ka ọ na-eti mkpu na-akpọ Adaakụ! Adaakụ gbara ọsọ bata, hụ Ibekwe ebe ọ na-amagharị n'elu akwa).
… (mgbe ndị gbatara mkpu batara n'ụlọ, ha hụrụ na Ibekwe na-ebulazị akwụkwọ n'ike n'ike, ọ naghịkwa ekwu okwu. Ha nwara ike ha ịma ma o nwere ihe ha ga-emeli tupu e buga ya ụlọọgwụ).

**Ọghọm mkpebi igbu Ibekwe wetaara Adaakụ na nwa ya**

Inwe mkpebi banyere ọnọdụ ọbụla dị mma mana onye atuleghị mkpebi ọ chọrọ inwe banyere ọnọdụ ọnọ n'ime ya nke ọma wee kpebie ga-anata ntaramahụhụ so ya oge ihe mgbu si na ya malitere. Ọ dị Adaakụ ngwangwa ka o gbuo di ya wee zonarị ụmụ ụwa ajọ omume ọ nọ na di achọ di mana o cheghị echiche nke ọma banyere ọnọdụ ahụ n'ihi na ọ bụrụ na o chere ya eche, ụbụrụ ya kwesịrị ịgwa ya na nwoke ahụ bụ nna nwa ya ma bụrụ onye a ma ama n'obodo nke mere na ọ dịghị ka ndị mmadụ fọdụzịa ụmụnne ya ga-esi gba nkịtị ka o si etu ahụ nwụọ n'achọghị ihe mere ya. O kwesịkwara ịma na di ya ga-enweriri onye ọ kọọrọ maka ajọ ndụ ahụ ọ na-ebi maọbụ onye hụgoro ya na enyi ya nwoke n'ihi na ndị Igbo kwuru okwu sị na ụkwụ na-aga warawara, anya na-aga warawara na-ahụ ya. Adaakụ e gbuọla di ya Ibekwe iji kpuchie ajọ omume ya ma nye ya ohere ịlakwuru enyi ya nwoke Chukwusolu, mana ọ maghị na ọ bụ ihe mgbu ka o buteere onwe ya, nwa ya na ezinaụlọ ya ndị nke gbazị aka nwa n'ihi na a chụpụrụ Adaakụ n'obodo ma machie nwa ọ mụtara ịlọghachite be nna ya. Oge a kwachara di ya, ada nne di ya bụ Nwekedu gara na nke Ọfọbụike kọọrọ ya nrọ ọ na-arọ wee rịọ ya ka ha gaa gbaa afa mara ihe gburu nwanne ya. Afa gosiri ka Adaakụ si tinyere di ya ọgwụ na nri ọ wee nwụọ. Atụmatụ a buteere Adaakụ mmechu ihu n'obodo na ntaramahụhụ so ya (i.a 86-87)

> Eze Afụrụkwe: …Unu maara na nwaanyị igbu di ya abụghị naanị n'ala obodo anyị ka ọ bụ arụ kama ọ bụ n'ala Igbo niile. Ya bụ na anyị ga-eme ya ihe anyị na-eme onye mere ụdịrị arụ a dị ka iwu obodo siri dị. (Tụgharịa che Adaakụ ihu) Nwaanyị, ị mere arụ ka arụ nke bụ na anyị kaara igbu gị egbu mana ọ gaghị abara anyị uru n'ihi na anụ gị agaghị ezu igwe mmadụ nọ ebe a. Ị kparịala onwe gị, mee onwe gị ọnụ ala n'agbanyeghị akwụkwọ niile ị gụrụ. Ị ga-ahapụ obodo a ozigbo, were ya sọọrọ anyị nsọ na ndụ gị. Ọ nweghị ihe ị ga-eji apụ. I nwere ike gaa obodo ọzọ masịrị gị kama ka anyị ghara ịhụ ụkwụ gị abụọ ọzọ n'obodo a. Ọ bụrụ na ị nwụọ, anyị achọghị ịhụ ozu gị.

Nwekedu: Bikonu ndị be anyị, ọ bụ n'aha ụmụọkpụ ka m jiri kwụrụ ebe a ikwu okwu a. Anyị kwekọrịtara na ọ ga-akpọrọ nwa ya. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ nwa anyị, anyị agaghị akpọ ya n'ihi na agwọ aghaghị ịmụ ihe dị ogologo. Nke ọzọ, anyị achọghị ajọ agburu n'ezinaụlọ anyị. O nwere ike kpọga nwa ya be nne ya, nke ahụ abụghị okwu anyị n'ihi na nwa ahụ agaghị abụkwa nwa anyị.

Lee ka mkpebi Adaakụ si gbaba ya aka di, nwa na ezinaụlọ ndụ ya niile. Ọ bụghị Chukwusolu enyi ya nwoke ka o ji aka nke o ji jide nwa ya maọbụ nne na nna ya. Nke kacha nke bụ na o meela nwa ya ọ gbara aka nna ma buru ajọ aha n' obodo n'ihi na akụkọ ga-akọgide ka nne ya si gbuo nna ya nke ga-eme nwa ahụ ọ kpọọ onwe ya asị n'ụwa ihe mere o ji nwee ụdị nne ahụ n'ụwa a. nwatakịrị amaghị ihe ọbụla sooro ya si n'obodo nna ya pụọ n'ihi na ndị obodo na ụmụnne nna ya achọghị mmekọ ihe ọbụla si n'afọ nne ya mere arụ. Nke a gosiri na mkpebi ọbụla anyị kpebiri na ndụ a nwere ike ibute ihe ụfụ nye ọdịniihu anyị na nke ndị anyị hụrụ n'anya.

***Ije Ego***

Odee agụmagụ a zipụtara na okwu ọjọọ si n'ọnụ nne na nna, ịkwanye nwatakịrị ịme ihe mgbe o nweghị ike ya. Ajọ enyi bu ihe ndị ọzọ nwere ike iduba mmadụ na iwepụ ndụ onye. Akwụkwọ agụmagụ ejije a kọrọ akụkọ maka otu okorobịa aha ya Ikpeama onye nke nna ya Okonkwo na-akwanye ka ọ lụọ nwaanyị n'ihi na ndị ọgbọ ya niile alụwala nwaanyị mana ọ maara na nwa ya enweghị ego ọ ga-eji mee nke ahụ. O nwere ụbọchi chi na-efotara Okonkwo ìkọ nwa ahụ ọnụ ka o gaa kpata ego ka ụmụ nwoke ibe ya. O kwukatala okwu a na Ikpeama malitere ịchọ etu ọ ga-esi kpata ego n'ụzọ abụla ụzọ iji mechie nna ya ọnụ. Mana enyi ya nwoke Nnabuenyi kpatala ego ma lụọ nwaanyị mụta nwa. Ọ bụghị n'oke ịgba mbọ ka o si kpata ego kama ọ bụ ọgwụ ego ka ọ gwọrọ wee kpata ego mana n'ihi okwu nna Ikpeama na-agwa ya n'ụlọ, Ikpeama kpebiri ịgwọ ọgwụ ego dị ka enyi ya nwoke. Ha gara n'ụlọ nwa dibịa ga-agwọ ọgwụ ahụ. Nwokelue (2010:25-26)

Odumodu: Ikpeama
Ikpeama: Ee nna anyị
Odumodu: Ị dịkwa nkwadowe inwe ego?
Ikpeama: Eziokwu, eziokwu, adị m nkwadowe
Odumodu: Maka na ihe e ji enwe ego abụghị ọkụ nwata gba ngada anya.
Ajụkwa m gị ọzọ. Ị dikwa nkwadowe inwe ego?
Ikpeama: Nna anyị adị m njikere
Odumodu: Ọ dị mma nwa m, kama o nwere otu ihe ị ga-eme iji nweta ego ngwa ngwa.
Ikpeama: Nna anyị, kedụ ihe ọ bụ?
Odumodu: Ị ga-egbu nna gị were gwọọ ọgwụ ego
Ikpeama: Nsogbu adịghị ma ọ bụrụ nna m. Aga m egbu ya were gwọọ ọgwụ ego.
Kama nsogbu m bụ otu m ga-esi gbuo ya.
Odumodu: Hapụrụ m nke ahụ. Amaara m otu m ga-esi gbu ya
kama na gị kwere na nna gị ga-anwụ n'oge adịghị anya
Ọdumodu: Ọ dị mma. Nsogbu gị alaala. Unu laruo ụlọ, mkpụrụ abalị atọ nna gị ga-anwụ. Ọ bụrụ na o mee abalị iri abụọ na asaa nna gị nwụchara, ị ga-enwe nnukwu ego.
Mgbeke: (O kelee ya) Nna anyị ụtụtụ ọma (ọ zaghị ya). Nna anyị Okonkwọ ndewo, (o tụpụghị ya ọnụ). Nna anyị kulie na chi efola (ọ saghị ya okwu). Nna anyị (ọ gaa metụ ya aka ma ahụ ya jụrụ oyi. Egwu bịara Mgbeke n'ahụ, o bido tiwe mkpu)

Nke a gosiri na anyị kwesịrị ịkpachapụ anya n'ụdị okwu anyị na-agwa mmadụ ibe anyị tụmadị ndị nne na nna maka n'ikpeazụ, ọ bụ ha ga-aghọ mgbọ so ihe ọbụla pụtara n'okwu ahụ ma nke dị mma ma nke dị njọ.

**Ọghọm mkpebi Ikpeama igbu nna ya wetaara ya**

Nke mbụ bụ na mkpebi ya ahụ mere nne ya ajadu ma mee ya onwe ya nwa enwe nna n'agbanyeghị na ọ chọghị ịma. Ọ dịghị onye gburu mmadụ na-enwe ezumike maka onye ọrụ ga-anata ụgwọ ya. Ọ bụ ezie na Ikpeama kpatara ego, lụọ nwaanyị mana akwa nwa ebeghị be ya n'ihi mkpebi igbu nna ya wee gwọọ ọgwụ ego. Ọ gara na nke dibịa gwọọrọ ya ọgwụ iji mata ihe na-eme ya na ndị nwunye ya(i.a 44)

Odumodu: Ikpeama, I gburu nna gị gboo were kpata ego. Ọ bụ ọbara nna gị ahụ ị gburu na-eso gị. Ọ nweghị ihe ị ga-emegide n'elu ụwa wee mụta nwa.
Ikpeama: Mana nna anyị, ọ kwa gị gwọọrọ m ya bụ ọgwụ?
Odumodu: A naghị agwa onye isi na nnu atụghị ofe kama ihe a na-agwa onye isi bụ na mmanụ adịghị n'ofe. Ọ bụghị m ka ọ dịịrị ịgwa gị ihe ndị a kama ọ bụ enyi gị nwoke.
Ikpeama: Kedụ ihe m dịzị ndụ eme?

(ihu 45) Ikpeama lọtara ụlọ ya n'iwe… Ọ chekatara ihe ọ ga-eme ọ maghị wee ga chịrị ụdọ kedo n'elu fanụ dị n'ime ụlọ ya. Etu a ka o si kwụgbuo onwe ya nke a maara ka arụ mmadụ iji aka ya gbuo onwe ya. Ọ bụghị naanị na ọ nwụrụ bụ okwu kama na ama nna ya ga-echi n'ihi na ya bụ otu nwa amụchighị nwa ga-anọchi obi n'ihi ihe o metara. Ọ bụghị ikpebi mee ihe bụ isiokwu kama ọ bụ ntaramahụhụ so ya bụ nsogbu. Oke ọchịchọ ka ọ kpata ego ka enyi ya nwoke edubala ya n'ọnọdụ adịghị mma n'ihi na enyi ya nwoke mụtara nwa tupu ọ nwụọ mana ya onwe ya enweghị nnụnụ ga-ebe akwa n'isi ya ka nwa, nna ya nwụkwuo gbahapụ nne ya amaghị ma ọ bụ ya gawa n'ihu ka ọ bụ ya lọghachi azụ. Lee ka mkpebi otu onye si ghasaa ezinaụlọ niile.

**Ihe ndị a chọpụtara**

A chọpụtara na inwe mkpebi bụ otu ihe na-edu mmadụ na ndụ a n'ihi na onye anaghị enwe mkpebi enweghị uche aka ya. E nwere mkpebi dị mma na nke dị njọ. O nwere ndị na-echemi echiche ime ma nwalee mkpebi ha banyere ihe ọbụla tupu ha a gaa n'ihu itinye ya n'ọrụ; mana e nwere mkpebi banyere ihe ọbụla nke adịghị mma.

E nwekwara ọtụtụ ndị na-eji n'ihi ọnọdụ ha hụrụ onwe ha n'ime ya, okwu mmadụ gwara ha, ndụ ndị enyi ha na-ebi na ihe ha na-ahụ anya wee nwee mkpebi banyere ndụ ha na ọnọdụ ha nọ n'ime ya nke nwere ike ọtụtụ mgbe mebie ọdịniihu ha ma tinye ha na ezinaụlọ ha na nnukwu ihe ọghọm nke nwekwara ike iwere ndụ ha.

A hụkwara na akparamagwa mmadụ na-akpaso mmadụ ibe ya nwere ike iduba onye ahụ n'ajọ ndụ dị iche iche nke nwere ike ibute iwepụ ndụ ma akpachaghị anya. Onye ọbụla kwesịrị ilezi anya n'agwa ya, akparamagwa ndị ọ kpọrọ enyi na akparamagwa nne na nna na-emeso ụmụ ha iji gbanarị ajọ ihe nripịa bụ iwepụ ndụ. O gosikwara na ezinaụlọ, agbụrụ maọbụ obodo nwere ọghọm iwepụ ndụ na-ewetara ha n'ụzọ dị iche iche nke ejije ndị a họọrọ zipụtara.

N'ikpeazụ, a hụrụ na ọtụtụ mmadụ na-eche echiche banyere ihe ọbụla ha chọrọ ime ma nke dị mma ma nke dị njọ mana nsogbu bụ na ha anaghị etinye supaigo n'ọrụ nannị mpaghara ọnọdụ ime mmụọ iidi ka nọrọ n'ọrụ nke na-achọ ime ihe ga-atọ anụ ahụ ụtọ n'agbanyeghị mpụtara ya n'ikpeazụ.

**Nchịkọta na mmechi**

A hụla na inwe mkpebi bụ ihe mmadụ agaghị ewepụnwu na ndụ a n'ihi na ọnọdụ na-adị mana isi sekpụ ntị bụ kedụ ụdị mkpebi anyị na-ekpebi banyere ọnọdụ ọbụla anyị nwetara onwe anyị n'ime ya. Anyị a na-anọkwara ala chee echiche ma tulee mkpebi ahụ tupu anyị akụọ ya ntu ka ọ na-adị anyị ọsọọsọ.

E nwere ezigbo na ajọ mkpebi nke mere na onye ọbụla ga-ehi asaa n'anya ịmata udị mkpebi ọ chọrọ ịnwe. Mkpebi agwa nọ n'akwụkwọ ndị a gosiri na mkpebi ụfọdụ na-eduba n'ihe ụfụ maọbụ ọnwụ ebe ha na-achọ ka ha kpuchie ihere ma gbanarị ihe ndị mmadụ ga-ekwu mana ọ dịghị ihe e zorro ezo n'okpuru anyanwụ agaghị emechaa pụta ihe. Ọtụtụ ndị na-enwe mkpebi ga-ewepụ ndụ. Ya mere, ọ dị mkpa na mmadụ ekwesịghị inwe mkpebi oge iwe na-ewe ya maọbụ n'ihi ihe ndị mmadụ na-ekwu maka na isoro okwu ọnụ ndị mmadụ, itinye onwe gị na nsogbu.

**Edensibịa**

Ayodele, R. (Ọktoba 8, 2022). "She Committed Suicide With Her Money" na Dailypost. E Weghachitere na Nọvemba 25, 2023. Site na http://www.dailypost.ng

Ayodele, R. (Juun 2, 2022). "Celebrity React As A Lady Dies During A Body Enhancement in Lagos Hospital" na Vanguard. E Weghachitere na Nọvemba 25, 2023. Site na http://www.vanguardngr.com

Aziken, e na Ndujie, C. (Eprel 1, 2015). "Jonathan Congratulates Buhari, Concedes Defeat" na Vanguard. E Weghachitere na Jenụwarị 14, 2023. Site na http://www.vanguardngr.com

Dobbie, A. B. (2012). *Theory into Practice: An Introduction to Literary Criticism.* USA: Wadsworth.

Ifejirika, E. (2014). *Introduction to Literary Theory, Criticism and Practice.* Ọka: Mabcom Systems.

Mogbogu, Obiọma.B. (2005). *Adaakụ.* Obosi: Pacific Publishers

Nwokelue, Robert. M. (2010). *Ije Ego.* Ọnịcha: Noble Resources

Onyekaonwu, G.O. (1980). *Nwata Rie Awọ.* Ibadan: University Press.

Operanews (2014). "Stella Obasanjo, Other Nigerian Women Who Died After Plastic Surgery". E Weghachitere na Nọvemba 25, 2023. Site na http://www.ng.opera.news

Schoemaker, P.J.H na Russo, E.J. (2014). "Decision-Making" na *Palgrave Macmillian.* London: Palgrave Publishers

ThisDay (Ọgọst 6, 2021). "IPOB Declares Sit-at-home Every Monday Until Kanu's Release". E Weghachitere na Septemba 26, 2023. Site na http://www.thisdaylive.com